**Nkwekorita Nke Uwa (The Earth Charter)**

**Na Mbido**

Anyi kwụ na oge di mkpa na akụkọ uwa oge mmadu kwesiri ịhọrọ ọdinihu ya. Dika ụwa na abawanye ụba na nwere onwe, ọdinihu notu aka ahụ ji ihe dị oke egwu na nkwa. N' iga n'ihu, anyi kwesiri إmata na anyị nọ n'etiti ọdinala di ọtụtụ na obibi ndu di iche iche, anyị bụ otu ezi na ụlo n'uwa a, ma nwekwa out akaraka. Anyi kwesiri Ijikọ aka ọnu ime ka ụwa nwe nsọpụrụ n'ebe okike, ụzọ ịzụ alive na ịkpata egọ ziiri ezi na mmasị ebe udo di. Na njedebe, okersiń ekwesiri ka anyi, bu ndi nọ n'ụwa kwupụta oke na ọrụ anyi nye ikwu na ibe anyi.

**Uwa, ebe obibi anyi**

Ụzọ mmadụ si ogwa so n'ime otu ụzọ ụwa ọhụrụ. Ụwa, ebe obibi anyị di ndụ ma nwe nwekọrita ndụ puru iche.. lke ji okike n'eme ka ịdị ndụ bụrụ ihe n'edochaghi anya, ma na ụwa nwere ihe ga enyeaka na igbanwe ndụ. Oganihu nke mmekorita ndụ na obibi ndụ dị mma gbadoro ukwu na inwe ebe obibi nke mmadụ na anụmanụ zuru oke, ihe ọkụkụ na anumanu rijuru afo, ala na empụta nni, mmiri oma na ezigbo ikuku. Mba uwa na ihe nweta ya dị nkenke bụ ihe ịlọ obi mmiri nke onye obụla. Ichebe mma na ọdị ịche ụwa bụ ọru dị nkpa enyere anyị n'aka.

**Onọdụ gburu gburu ụwa**

Ụzọ kachasị esi emepụtara na erikwa ihe emepụtara na-ebute mbibi, ime ka ihe nweta pe mpe ikpọchapụ ịhe ndị dị iche iche. Oke nke si na mmepe obodo abia a naghị ezu oke, ohere dị n'etiti ndi ogaranya na ndị ogbenye na abanwanye ụba, ekpeghị ikpe ziri ezi, ịda ogbenye, amaghị ihe na inwe nghọtahie bara ụba ma na ebutekwa oke ịta ahụhụ. Ọriri na onụ ọgụgụ mmadu ahụbeghị mbụ ebutewo mkpagbu n'ebe obibi mmadụ na anụmanụ na mmekọrita ha dị.

Ebe nchebe gburu gburu ụwa gbakwasara ukwụ na-ama jijiji, ihe ndịa di egwu ma bụrụkwa ihe enwere ike izere.

**Ihe ịmanaka dị n'ihu**

2

Ọ dị anyị n' aka irụkọ ọrụ ọnụ gburu gburu ụwa, ịlekota uwa na anyi onwe anyi ịjị gbanarị mmebi nke anyị onwe anyi na ụzọ obibi ndụ dị iche iche. Mgbanwe bara uru na obibi ndu anyi na ebe ehiwere ehiwe dị ịche ịche. Anyi kwesịrị ịmata na ọbụ na anyi nwezue ihe ndi dị nkpa eji enyere ndụ aka, mmehe nke mmadu bụ na- ịdịkari, karia na inwekari. Anyị nwere amamihe nke na uzu iji lekọta mmadụ na nka ńile na ibelata ọdachi na gburu gburu ebe obibi anyi. Ọbịbịa nke otu mba ụwa enyewo ohere ku enwe onye kwuru uche ya n'ụwa. Ihe imanaka anyị n'enwe n'ebe gburu gburu ebe obibi anyi, ndọrọ ọdọrọ ọchịchị, akụ na ụba na ime mmụọ dị nwere mmekorịta, anyị jikọ aka ọnụ anyị ga enwe ihe igbo nkpa zụrụ oke.

**Ọrụ dịrị Ụwa**

Iji me ka ebumunche anyị bụrụ ihe ahụrụ anya, anyị ga ekpebị na anyi nwere orụ dị rị anyị n'ụwa, ma nwe n'ụwa gba gburu gburu na n'ebe obibi, anyị bụ n'otu aka ahụ, ụmụ amala obodo dị iche iche n' otu ụwa ebe ime obodo na nke uwa gba gburu gburu gburu nwere mmekọ. Onye ọbụla nwere oke na-ọrụ ugbu a na ọdị n'ihu ebe ezi na ụlọ na ụwa dị. Mmụọ nke nkwagide na ịchị eze ga agbasike ma anyị nwe ịtụ egwu n'ochị chi nwe afọ ojuju maka onyinye ńke ndụ na obị ume-ala gbasara odidi ńke mmadu. Anyị na achọsike. Inwe olile anya nke masịrị onye ọ bụla iji new ebe mgbakawasị ụkwụ nye ụwa na apụta ọhụrụ.

Ya mere n'ịdị n' otu anyị kwere na ihe ndị utụzi aka ndịa dabere na ibe ha ga enye aka maka odị nma nke akparamagwa mmadu, n' ịzu ahia, ọchịchị, ụlọ ọrụ na ụlọ ọrụehiwere maka Ịme mgbanwe n'ile.

## I. Nspọrụ Nụa Nlektọa Nke ebe Obibi Mmadụ

NTUZI AKA

### 1) Sọpụrụ Ụwa na ndụ na ịdị iche ya n'ile.

a). Mata na mmadụ n'ile dabere n' ibe ha, ụdị ndụ ọbụla nwere ọnụ ahịa na agbanyehị uru ọbara n'ebe mmadu dị.

b) Nwe okwukwe na ugwu nke mmadu, ọgụgụ isi, ejirimara na ihe ime mmụọ nke ọdịdị mmadụ.

### 2). Lekọta ebe obibi mmadụ site n' inwe nghọta, omiko na ihụnaya

(a) Nabata na enwe lkikere inwe, ihazi na iji akụ chinyene rụọ ọrụ bụ mmalite nke ọrụ Igbochi ọghọm di na gbụrụ gbụrụ ebe obibi na ichebe ihe ruru ndi mmadụ.

b) Kwere na Ibawanye ụba na nwere onwe, amamihe na ikikere ga eme ka ọdimma nke onye nile buru ihe ebulịrị elu.

### 3. Rụọ obodo ziri ezi, ga-adigide ma nwe udo.

a) Meka obodo n' ogo n'ile chekwa oke ruru mmadụ na nwere onwe, ma meka onye ọbụla nwe ohere ibu ihe ọ chọrọ ibụ

b) Nye nomekọrita na azumahia ziri ezi, iji meka onye ọ bụla nwe ụzọ lkpata ihe eji enyere ndụ aka.

### 4. Chekwa akụ na mma ụwa maka ọgbọ dị n' ihu.

a) Mata na nwere onwe nke ọgbọ ọbụla ga etozu oke n’ ebe ihe ndị ọgbọ dị n;ihu chọrọ.

b) Meka ọgbọ dị n’ihu mara ihe ndị dị nkpa, ọdị nala na ebe nhiwe ga akwado mma nke mmadụ ụwa na ebe obibi mmadụ na anụmanụ.

Iji mejupụta ọkpụrukpụ ihe anọ a, o kwesịrị ka e new.

**II. Ebe Obibi Mmadụ Na Anụmanụ Zuru Oke.**

NTUZI AKA

**5. Chekwa ma weghachite ugwu nke uwa mmadụ bi okachasi ịdi iche n’ihe ọmụmụ gbasara ndụ na ihe ndị na akwado ndụ.**

a) Meka enwe n’oge n’ile atumatu mmehe ga adigide na iwu ga – emeka enwe nchekwa nke gburu gburu ebe obibi

b) Rụpụta ma chekwa ihe ndi chi nyere na ebe obibi
tinyere mpaghara ala na osimiri, iji chekwa ihe ndị na-enyere ndụ ụwa aka ma chekwa ihe ndị anyị ketere n’aka chi

c) Bulie ma gbapụta ihe ekereke nọ na-ododụ ojọ

d) Jikọlata ma kpochapu ọtụtụ ihe dị iche iche ga-emeka ihe ekereke na gburu gburu obibi nọrọ na ajo ọnọdụ ma igbochie ụzọ ha si ewelite isi.

e) Jiri ihe ndị dị ka mmiri, aja, akụ dị n’ọhia na ime mmiri rụọ ọrụ n’uzọ ha na-agaghi emebi ahụ ike nke ihe ekere eke.

f) Jiri ihe ndị ana agaghị emegharị dị ka akụ dị n’ime ala rụọ ọrụ n’uzo na agaghi ebute ihe ọdachị na gburu gburu ebi obibi.

**6. Gbochie ọdachi dị ka uzọ kachasi mma iji chekwa gburu gburu ebe obibi, mgbe amamike na-ezughị oke,**

a) Gba mbọ igbanarị ọdachi dị njọ na gbụrụ gbụrụ ebe obịbị ma ọbụnadị mgbe ihe ọmụmụ science na-ezughi oke.

b) Hapụrụ ndị na arụ ụka ka ha kọwa na ọrụ ndị arụgasịri agaghi ebute ọdachi na gburu gburu ebe obịbị ma me ka ndị ọdị n’aka bụrụ ndị ikpe mara maka ọdachi na gbụrụ gbụrụ ebe obibi.

c) Gba mbo ka mkpebi n’ile tinye ọnụ n’okwu gbasara ọrụ digasi iche iche mmadu na-arụ nwere uke ibute n’uwa ubua na-ọchinihu.

d) Gbochie ihe ndị na emebi ikuku na mpaghara gburu gburu ebe obibi n’ile, ma ekwela ka ihe ndị ọzọ na akwadoghi ahụ ike welite ịsị.

e) Gbanahụ ọrụ dị iche iche ndị ọlụ agha na arụ nwere ike ibute ọdachi na gburu gburu ebe obibi.

**7. Nabata ụzo ịrụpụta ihe, oriri na ụzọ mmụba ga adị mma n’ebe ọha mmadụ dị.**

a) Gbolata, megharịa akọrọ ngwa eji arụpụta ma na eri kwa ịhe aruputara, ma gba mbọ hụ na ebe obibi ga anabata akọrọ ngwa ndị lara n’iyi.

b) Jiri igwe na-enye ọkụ rụọ ọrụ ọfuma kachasi nke a na enweta na anyanwu na ikuku.

c) Kwalite mmehe na mbugharị nka na ụzụ bụ igba
5

d) Buru ọnụ ahịa ngwa ahịa na gburu gburu ebe obibi n’obi ma meka ndị na-eri ngwa ahịa mata na ihe ndị arupụtara tozuru oke.

e) Gba mbo ịhụ na ụzọ esi enweta ahụ ike zuru ọnụ ibi kwalite mmụba bara uru,

f) Nabata ụzọ akparama agwa gbadoro ụkwụ na ibi ndụ zuru oke.

**8. Meka ihe mmụta gbasara ime nka ga adigide ga n’ihụ ma kwalie itinye ihe amụtara n’ọrụ.**

a) Kwagide nka na ụzụ zuru uwa ọnụ, kachasị mkpa ọ dị n’ebe obodo ndị na emehe emehe dị.

b) Mata ma chekwa amamihe, ọdị nala na amamihe nke ime mmụọ na mba n’ile na enye aka n’ichekwa gburu gburu ebe obibi na ọdị mma mmadu.

c) Gbalisie ike ime ka akụkọ dị oke mkpa n’ebe ahụ ike na ichekwa gburu gbụrụ ibe obibi dị na-eru onye n’ile nti.

**III Mmekrọita Na Uzo Azumahia Zuru Oke Ziri Ezi**

NTUZI AKA

**9. Kpochapu ịda ogbenye dị ka ihe dikarisịrị mkpa.**

a) Me ka enwe mmiri, ikuku ọma, ezigbo nni, ala ọma, ebe obibi na ịdi ọcha, ma me ka mgba ọrụ dị nkpa rute onye ọbụla aka.

b) Nye onye ọbụla agụmakwụkwọ na ngwa ọrụ iji nyere ndụ aka, ma mekwa ka ndị na enwereghị onwe ha nwe ọnọdụ.

c) Cheta ndị elefuru anya, ndị na enweghi ka ọha ha, ta ahụhụ n'nye aka me ka ha bụrụ ndị ga anọrọ n'onwe ha.

**10. Gba mbọ hụ na ụzọ azumahia na ụlọ ọrụ ehiwere n'ogo n'ile kwadoro ọganihu mmadụ n'ụzọ ga adigide.**

a) Kwalite okike nke akụ na ụba n'uzọ zuru oke na mba n'ile.

b) Meka amamihe, ụba, nka, na mmekọrịta mmadu na ibe ya n'obodo na emehe emehe mawanye mma, ma gbapụta ha n'aka iji mba ụwa ụgwọ.

c) Meka nkwado azụmahịa, ihe nweta nke ga adigide, nchekwa nke gburu gburu ebe obibi ọnụ rute n'ogo atụrụ anya ya.

d. Hụ na ụlọ ọrụ na ọtụ ọrụ na ahụ naka akụ na mba ụwa rụrụ ọrụ ha n'ụzọ kwụ ọtọ maka ọdị mma nke onye ọbụla, ma jide ha dị ka ndị ikpe mara maka ihe ndapụta ọbụla ga esite n'ọrụ ha dapụta

**11. Kwere na ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị ha aha, dị ka ihe ga ebute nmehe ga adigide ma meka agụmakwụkwo, nlekọta ahụ ike and ụzọ. ikpata ego zuro onye ọbụla ọnụ.**

a) Chekwa ihe n'ile gbasara ụmụ nwanyi na ụmụ nwanyi ndị na etolite etolite na ebumagha n'ebe ha nọ.

b) Kwalite ka ụmụ nwanyi n'etinye aka n'ile gbasara, ikpata ego, ndọrọ ndọrọ ọchịchị, mmekorịta mmadụ na ibe ya na ihe ọdịnala n'ụzọ dị ike, dị ka ndị nwere ọnụ n'okwu, ndị ndu na ndị nketa.

c) Nye ezi na ụlọ n'ile ike, ma hụ maka nchekwa na nlekọta nke otu ezi n'ụlọ n'ile.

**12. Kwalie ihe ruru onye ọbụla na akpaghị oke na gburu gburu ebe obibi n'ụzọ ga akwado ugwu, ahụ ike na ọdị mma nke ime mmụo nke mmadụ,**

**kwachasị ihe gbasara ụmụ amala na ọnụmara ndị na adighi ọtụtụ n'obodo.**

a) Kpochapụ ịkpa oke n'ụzọ n'ile kachasị nke gbadoro ụkwụ na ebe onye si pụta, akpụpa ahụ, nwoke na nwanyị, nkuzi gbasara mmekọrịta nwoke na nwanyị, okpukpere chi, asụsụ na ebe onye si pụta.

b) Kwalite ikikere ụmụ amala nwere n'ebe ihe gbasara ime mmụọ, amamihe, ala, ihe nweta na ụzọ ha si akpata ihe ndị eji enjere ndụ aka.

6

c) Sọpụrụ ma kwado ndị ntorobịa na obodo n'ile iji meka ha rụọ ọrụ dị rị ha na obodo.

d) Chekwa ma weghachite ebe odị nala na okpukpere chi nwere ihe irịba ama.

## IV Ochịchị Onye Kwuru Uche Ya, Amimihe Na Udo

NTUZI AKA

**13. Kwadosie ebe ehiwere ihụ maka ọchịchị onye kwuo uche ya n'ogo n'ile, ma meka ọchịchị bụrụ n'ụzọ kwụ ọtọ, gbanyekwa na inwe ọnụ ma ime mkpebi na inweta ikpe ziri ezi.**

a) Bulie ike ruru onye ọbụla inu akụkọ oge okwesịrị gbasara gburu gburu ebe obibi, atụmatụ mmehe obodo na ihe ndị ọzọ nwere ike imetụta ha.

b) Kwado obodo n'ogo n'ile, ma bulikwa ihe gbasara ndị mmadụ iso nwe nkpebi na Inwe mkpebi n'okwu gbasara ha.

c) Chekwa Ikikire mmadu ikwu uche ya, Inwe ọgbakọ n'ụzọ udo na mmekọrịta.

d) Me ka enwe ụlọ ọnụ na ahu maka ikpe ziri ezi kwụrụ onwe ya, ma dị nkả n'ọrụ tinyekwara ịnwe ihe iti aka n'obi n'ebe ihe gbasara ọdachi gburu gburu ebe obibi dị

e) Kpochapụ iri ngarị n'ụlọ ọrụ ndị mmadu na ochịchị obodo new

f) Kwado ime obodo ma mekwa ka ha lekọta gburu gburu ebe obibi ha ma nyekwa ọchịchị obodo ọrụ ha ga arụ n'ụzọ dị mma.

**14. Tinye n'ime agụmakwukwọ na mmuta dị ga adigide, amamihe, ejirimara na ime nkả ga enyere ịdị ndụ aka.**

a) meka onye ọbụla, kachasị ụmụ aka na ndị ntorobịa nwe ohere ịgụ akwụkwọ ga enjere ha aka Ikpalite mmehe ga adigide.

b) kwado ihe ọmụmụ atụtụ na akparamagwa maka inwe agumakwụkwọ ga adịgide.

c) Meka ụlọ ọrụ na-ahụ maka mgbasa ozi manyenwa mma, ma me ka ndị mmadu mara maka ihe ịma aka dị na obodo.

d) Ghọta nkpa mmụta maka aparamagwa na ihe ime mmụọ dị na ikawdo ndụ

**15. Kwanyere ihe n'ile dị ndụ ugwu.**

a) Gbochie obi ojọ n'ebe ụmụ anụmamụ binyere mmadu dị ma chekwa ha n'aka ita ahụhụ.

b) Chekwa anụ ndị bi n'ohịa maka Ịchu nta, ikwo ọnya na ịkọ azụ nwere ike ibute ahụhụ nwere mgbochi.

c) Gbochie n'ụzọ di ike, ikpọchapụ ihe ekereke na abụghị ihe ndị a na ede ede.

**16. Bulie mmụọ nke nnagide na udo**

a) Kwado ma kwụnyere nghọta. ikwụsike, na ịrụkọ ọrụ ọnụ n'etiti mmadụ na etiti mba dị iche iche.

b) Tinye atụmatụ atụutara n'ọrụ iji gbochie nghọtahie ma jikwa ụzọ esi egbo nkpa bara uru gbo nghọtahie na gburu gburu ebe obibi.

c) Meka nchekwa obodo bụrụ nke na agaghị akpasu iwe ma tinye ihe nweta nke ochị agha n'orụ.

d) Kpochapụ ogbu n'igwe na ihe ndị ọzọ nwere ike ịla ndụ n'iyi.

e) Hụ na itinye ihe gbasara iga n'ikuku n'ọrụ kwadoro nchekwa gburu gburu ebe obibi na udo.

f) Mata na udo bu ihe si na mmekọrita mmadu onweya, ndị ọzọ, na mba dị iche iche, ndụ ndị ọzọ, ụwa na ihe ndị ọzọ pụta.

## ỤzỌ Ịga N'ihu

Dika ahubeghị mbụ n'akụkọ otụ akara akara na-asị anyi chọ ụzọ mbido ọhụrụ. Ụdị mgbanwe a bụ nkwa nkwekọrita ụwa ndị a. Imejupụta nkwa a, anyi ga etinye omwe anyị n'ọrụ ịkwado ebum n'ọbi nkwekọrịta a.

Nke a na-acho mgbanwe mmụọ na-obị, ọ chọrọ ndabere obodo na ibe ya dị ọhụrụ na inwe ọrụ dịrị onye ọbụla. Anyi ga ejisi ike buru mmehe na ụzọ ịnyere ndụ aka ga adigide n'obi n'obodo anyi na uwa n'ile gba gburu gburu. Ọdịl nala anyị dị iche iche bụ ihe nrita bụ ọpụrụ iche ga enwe ụzọ ịsị me ka ebum n'obi ndị bụrụ ihe anya hụrụ. Anyi ga eme ka

nkwuriịkọta okwu butere nkwekọrita a dị kwuo omimi n'ihi na anyi nwere ihe ndị anyi ga amụta na ọchịchọ nke ezị okwu na amamihe na-aga n'ihu. Mbga ụfọdụ, ndị na enwe ogba-aghara n'aka ihe abụọ dị mkpa. Nke a na eme ka ịhọrọ otụ sịe ike. Otu osinadị, anyị ga ejisike chọta ụzọ iji meka enwe ịdi n'otu n'ebe iche iche dị, mmeghari ahụ nke bụ ọ dị mma nke ebum n'obi a n'obi. Onye ọbụla, ezi na ụlọ, ogbakọ na obodo nwere ọrụ dị mkpa Ịrụ. lhe atụtụ okpukpere chi, ụlọ mmụta, ọrụ mgbasa ọzị na ọchịchị obodo ka a na akpọku ka ha nye odudu kwesịrị ekwesị Ijikọ aka nke ọchị chị obodo, na azụmahịa dị mkpa maka ezi ọchị chị.

Iji nwe obodo ga adịgide, obodo n'ile n'ụwa ga agbanweriri mmasi ha n'ebe ọtụ mba ụwa dị, rụzuo ọrụ ha sitere n'ebe nkwekọrịta ụwa ma nwe ihe ntụzị aka iwu kwadoro.

Ka oge nke anyi bụrụ oge a ga-eji nsọpụrụ nke ndụ ọhụrụ cheta, ikwesike na inwe ndigide, ikwalite igba mbọ nke ikpe zịrị ezi na udo na ọrụ nke ikpori ndụ.